# Akwukwo Iwu Nke Otu Jikotara Uwa

## N'ichafu



United Nations

## Ozi nke si n'aka Odeakwukwo Oha.

Nime afo iriise gara aga, Akwukwo Iwu nke Otu Jikotara Uwa bu ya bu ihe uwa gbadoro ukwu n'ihe gbasara mmekorita obodo na ibe ya. N'agbanyeghi otutu ihe mgbanwo e megasiri, otutu okpurukpu ihe n'achi mmekorita obodo na ibe ya e dotere n'Akwukwo Iwu ahu diriri etu ha di na mbu. Taata, Akwukwo Iwu ahu bu ihe di oke mkpa n'ihe gbasara mmekorita obodo na ibe ha maka udo na agamnihu.

Mgbe Akwukwo Iwu ahu kapibara onu n'otutu okpurukpu ihe a ga na-eso ma otutu ihe a choro ime metutara uwa niile, e nwere ohere maka ime ihe etu o ga-adi mma n'ebe obula o na-eme ihe e kwuru ka e mee. Ihe ndi dere akwukwo ahu bu n'isi---ka a zoputa agbodinihu n'ihe gbasara agha, ka e kwusie ike ozo ihe gbasara otutu ike uwa siri ka mmadu nwee, ka e dote otutu ihe kwesiri idi ka ochichi ohanaeze were di, ma ka e were kwalite agamnihu obodo ma ndu idi mma karia etu o di na mbu n'enweghi mmekpa ahu---a ga na-emeputa ha dika etu ubochi siri kwuru.

Taata oge nke mmekorita obodo na ibe ha na-agafe agafe n'enye ohere maka oge mgbe a gaghi enwezi nkewa n'etiti obodo na obodo. Anyi na-afu na otutu okpurukpu ihe gbasara mmekorita obodo ma ibe ha metutagasiri n'ihi ya a ga na-emekodo ha onu. A ga na-elekota ihe niile gbasara agamnihu anya onu ma oburu na a choro ka amata nkeoma maka ihe niile na-ebute ogbaaghara. A ga-egbochi ogbaghara niile n'emetuta uwa kwa mgbe kwa mgbe, nani oge ahu ka agamnihu---nke bu isioru anyi---ga-enwe isi.

Akwukwo Iwu ahu bu oke ihe uwa meputara. O bu akwukwo nke di mkpa a ga-eji ako akuko ihe mere eme, ihe baara uwa uru nke ukwu. N'enwere ya bu ihe a ga na-esiri oriri.

Afo nke iriise e ji e lota mmalite akwukwo iwu ahu bu oge maka iche echiche ma mmalite ndu ohuru. Mgbe Ndimmadu nke Otut Jikotara Uwa na-eche echiche maka ihe nwere ike ime n'odinihu, Akwukwo Iwu ahu bu ihe nwere ike igosi uzo a ga-eso maka odinihu. A ga-amaliteriri otutu ihe e kwuru nime Akwukwo Iwu ahu ohuru. A ga-emeriri ka otutu ihe e ji aru oru siwanye ike maka otutu oru di n'ihu. Agbo ohuru obula ga-ejisi ike ime ihe ekwuru site n'icheputa uzo ohuru a ga-eso were eme ihe biakwasi kwenye n'idiotu uwa dum n'ihi na yabu Akwukwo Iwu bu okponku.

Boutros Boutros-Ghali
Odeakwukwo Oha nke
Otu Jikotara Uwa

# Akwukwo Iwu Nke Otu Jikotara Uwa N'ichafu



A Translation of the "United Nations Charter at your finger tips" Into Igbo

Otu Jikotara Uwa
Mpaghara Maka Mgbasa Ozi
New York

## Okwu Mmalite Anyi bu ndi Otu Jikotara Uwa

| | |
|---|---|
| Isi Nke Mbu | Ihe A Choro Ime Na Usoro-achichi |
| Isi Nke Abuo | Ibu Onye Otu A |
| Isi Nke Ato | Akana |
| Isi Nke Ano | Ogbako Oha |
| Isi Nke Ise | Otu Nchekwata |
| Isi Nke Isii | Idozi Esemokwu N'uzo Udo |
| Isi Nke Asaa | Ihe A Ga-eme N'ihe Gbasara Ihe Ga-ebute Ogbaaghara, Ibute Ogbaghara Na Icho Okwu |
| Isi Nke Asato | Otutu Ihe Njikere Maka Otutu Akuku Uwa |
| Isi Nke Iteolu | Njiko Uwa N'ihe Gbasara Aku Na Uba Na Mmekorika |
| Isi Nke Iri | Otu Aku Na Uba Ma Mmekorita |
| Isi Nke Iri Na Ofu | Ihe E Kwuru Banyere Obodo Ndi Achiwabeghi Onwe Ha |
| Isi Nke Iri Na Abuo | Uzo Ichekwaba Obodo Enwerebeghi Onwe Ha N'uwa |
| Isi Nke Iri Na Ato | Otu Nchukwa |
| Isi Nke Iri Na Ano | Uloikpe Uwa Niile |
| Isi Nke Iri Na Ise | Ndi Odeakwukwo |
| Isi Nke Iri Na Isii | Iwu Ndiozoga |
| Isi Nke Iri Na Asaa | Uzo Nchedo Tutu Ihe Akwuru Nkeoma |
| Isi Nke Iri Na Asato | Ihe Mmeziga |
| Isi Nke Iri Na Iteolu | Iti Ofo Na Ibinye Aka N'akwukwo |

## 1 O LEE IHE BU AKWUKWO IWU AHU?

Akwukwo Iwu ahu bu akwukwo iwu nke kwuru otutu ihe e bu n'isi na usoro-ochichi nke Otu Jikotara Uwa gbadoro ukwu were malite. O bu akwukwo igbandu nke obodo obula ga-ebinye aka biakwasi kwenye n'inwe nsopuru maka ya mgbe obodo ahu buuru Onye Otu nke Otu ahu. Yabu Akwukwo Iwu nwere isi iri na iteolu biakwasi nwee akuku-iwu nari na iri na ofụ. Akwukwo Iwu nke izizi e jiri malite oru bu ebe obodo Amerika n'edobe ihe agbo ochie ka e debere ya.

Akwukwo Iwu nke Uloikpe Uwa Niile bu akwukwo igbandu nooro onweya mana o bukwasi okpurukpu akuku di mkpa nime Akwukwo Iwu Otu Jikotara Uwa. Obodo obula bu Onye Otu nke Otu Jikotara Uwa na-eso ozigbo n'ibu ndi iwu di n'Akwukwo Iwu Uloikpe Uwa Niile ji.

## 2 O LEE MGBE E DERE AKWUKWO IWU AHU?

E dere Akwu Iwu ahu biakwasi kwadobe ya maka ibinye aka n'afo 1945. N'onwa nke ano n'afo 1945, obodo iriise gbakozuru na San Francisco ka ha kpatusia aka n'ihe niile di mkpa maka igbandu ga-eme ka Otu Jikotara Uwa malite. Mgbe a kparitasiara uka tara akpu biakwasi di anya, e meghere Akwukwo Iwu ahu ka e binyebe ya aka n'ubochi iriabuo na isii n'onwa nke isii n'afo 1945, o buruzia akwukwo igbandu mgbe o malitere ruwa oru n'ubochi iriabuo na ano n'onwa nke iri n'afo 1945. Bidozie oge ahu wee gawa, a na-eme emume nke Ubochi Otu Jikotara Uwa n'ubochi iriabuo na ano n'onwa iri kwa ato.

## 3 O lee ihe bu otutu Okpurukpu ihe e bu n'isi e jiri malite Otu Jikotara Uwa dika etu e siri dota n'Akwukwo Iwu ahu?

Otutu okpurukpu ihe e bu n'isi e jiri malite Otu ahu bu ka:

- Afu na udo na nchekwa di n'uwa
- Afu na e nwere mmekorita enyi na enyi n'etiti obodogasi di n'uwa
- E jikoo aka were kwalite okwa ndi mmadu biakwasi mee ka e nwee nsopuru maka otutu ike n'enweghi mmekpa ahu iwu kwuru ka mmadu nwee; nkeozo
- Ka o buru ebe nwere ike inyere obodogasi aka maka imezu ihe ndia e bu n'isi.

## 4 O lee ihe Akwukwo Iwu ahu Kwuru maka obodo inwere onwe ya?

Akuku-iwu nke abuo nke Akwukwo Iwu ahu kwuru na Ndiotu niile di n'Otu Jikotara Uwa nwere nhatanha n'ihe gbasaru inwereonwe. O bughi goomenti nke uwa. O dotere uzo a ga na-eso were emezi otutu nsogbu ma ihe obula gbasara mmadu n'uwa. O dighi ihe obula di n'Akwukwo Iwu ahu nyere Otu Jikotara Uwa ike itinye aka n'ihe gbasara na ihe na-eme na "ngwuru" obodo obula. O dikwaghi ka e siri tiri obodo obula iwu ibughara Otu Jikotara Uwa udi okwu ahu.

A kpachapuru anya n'itapi ihe e dere n'Akwukwo Iwu ahu n'ihe gbasara okwu di na ngwuru obodo obula. N'agbanyeghi nkea, Otu Nchekwa na-etinye anya n'ihe obula o chere nwere ike ibute nsogbu maobu megide nchedo uwa. N'otu aka ahu, otutu otu kwesirinu di nime Otu Jikotara Uwa nwere ike itinye onu n'otutu ihe obula megidere otutu ike iwu nyere mmadu n'eme nime obodogasi.

## 5 Kedu okpurukpu mbaganagasi nke Otu Jikotara Uwa Akwukwo Iwu ahu Kewaputara?

Otu Jikotara Uwa nwere okpurukpu mbanaga isii. Ha bu Ogbako Oha, Otu Nchekwa, Otu Aku Na Uba Ma Mmekorita, Otu Nchukwa, Uloikpe Uwa Niile ma Ndi Odeakwukwo. Ha dum di n'Isiunoru nke Otu Jikotara Uwa na New York, bereso nani Uloikpe Uwa Niile, nke no na The Hague, Netherlands.

| | | |
|---|---|---|
| Uloikpe Uwa Niile | Ogbako Oha | Otu Aku Na Uba Ma Mmekorita |
| Otu Nchekwata | Ndi Odeakwukwo | Otu Nchukwa |

## 6 Kedu mbanaga obodo niile bu Ndiotu no nime ya biakwasi kedu ihe bu oru ya?

Isi nke Ano huru maka Ogbako Oha, nke bu ya bu isimmiri na-ekpokoba oru mbanagasi nke Otu Jikotara Uwa. Akuku-iwu nke Iteolu kwuru na obodo niile bu Ndiotu Otu Jikotara Uwa di n'Ogbako Oha. Ogbako Oha nwere ike itinye onu biakwasi tuputa atumatu n'ihe obula gbasara udo n'uwa, beereso nani okwuosuse maobu ihe obula ndi Out Nchekwata na-etinye onu, dika oru ya siri di n'Akwukwo Iwu. Ogbako Oha na-anata ozigasi si n'aka Odeakwukwo Oha n'egosi etu ihe siri kwuru biakwasi nata ozi si n'aka mbanagasi di n'otu Jikotara Uwa. Site n'atumatugasi si n'aka Otu Nchekwata were bia, Ogbako Oha na-anabata Ndiotu ohuru biakwasi na-aroputa Odeakwukwo Oha. Kwa afo, o na-aroputa Ndiotu ohuru abughi Ndiotu na-ano okputorokpu nime Otu Nchekwata. Ogbako

Oha na-ekwu ihe obodo obula ga-atu n'utu nke Otu Jikotara Uwa ma etu a ga-esi ri yabu ego---o no ka o bu ya ji mma jide ji.
Ogbako Oha nwere ike ime ihe obula n'ihe dabara n'oru Otu Jikotara Uwa, dika ihe mejidere otutu ike iwu nyere mmadu, onuogugu mmadu, agamnihu, ilebanya n'ihe gbasara ngwaagha, gburughuru uwa, ahihia n'emebi isi, ndi gbara oso ndu gbaga ala ozo, iwu gbasara osimiri, maobu eluigwe, ka a kposia nani onemone. O na-akwalite iji ofu obi me ihe biakwasi na-edobe usoro a ga-agbado ukwu were eme ihe n'otutu ihe gbasara mmekorita goomenti ma ibe ha.
Ihe kariri okara n'otutu ihe Ogbako Oha na-ekwu ka e mee adighi nke bu iwu na a ga-emeri ha ma ha bu atumatugasi n'agwa obodogasi ka ha megharia ahu. N'agbanyehi ihe ndia, otutu ihe Ogbako Oha na-ekwu ka e mee na-ano ka ha bu mmuo uwa ka ha na-ekwu. Ogbako Oha bukwuazi ebe a na-ano were ede akwukwo maka igbandu nke obodo na ibe ha nkeozo, mgbe obula onuogugu obodogasi kwadoro akwukwo igbandu ahu ruru one a choro, a ga-ebido were akwukwo igbandu ahu ruwa oru n'obodogasi ahu nabatara akwukwo igbandu ahu biakwasi igbandu ahu ga-amalite so n'iwu metutara otutu obodo n'uwa.

## 7 Kedu mbanaga o bu isi oru ya ifu na e nwere udo na nchedo biakwasi ndiotu one di na ya?

Dika etu o siri di n'Isi nke Ise, o bu Otu Nchekwata ka o bu oru ya ifu na e nwere udo ma nchedo n'uwa. Obodo niile di n'Otu Jikotara Uwa ekwetala inabata ma imezu otutu ihe Otu Nchekwata kwuru ka e mee.

Otu Nchekwata ga-agba mbo idozi okwugasi na-esere obodogasi na ibe ha, maobu nke di nime obodogasi ma o buru na ha metutara udo na nchedo n'uwa, site n'ikwalite ikparita uka ka e were nwee nkwekorita maobu iziga ndiotu nchoputa maobu, ma ihe daba nkeoma, site n'ikewaputa ndi ga-afu na e nwere udo. O na-atuputa atumatu zigara Ogbako Oha maka obodogasi a ga-anabata dika Ndiotu ohuru nke Otu Jikotara Uwa maobu onye a ga-eme Odeakwukwo Oha. Ha ma Ogbako

Oha na-aroputa ndi ga-abu ndi Uloikpe Uwa Niile.

Mmadu iri na ise di n'Otu Nchekwata. Obodo ise bu ndi no na ya okputorokpu---China, France, Russia, United Kingdom ma America; ha bu ndisi na ndi Odogwuobodo Jikotara aka mgbe a na-anu Agha Uwa nke Abuo. Obodo iri a roputara site n'ebogasi di iche iche ka Ogbako Oha na-aroputa ka ha ruo oru afo abuo dika ndiotu ga-ano nwantakari oge (Fu ajuju nke iriabuo na ofu).

## 8 Gini bu ike mgbochi biakwasi kedu ebe a ruturu ya aka n'Akwukwo Iwu ahu?

Ike mgbochi bu na Otu Nchekwata ka a maara maka ya. A gaghi eme ihe obula di oke mkpa ka e mee mgbe obula ofu obodo nime obodo ise no okputorokpu n'Otu Nchekwata siri na ya ekwenyeghi ka e mee ihe ahu site n'itunye akwukwo n'egosi na o kwenyeghii. Okwu ahu a na-akpo "mgbochi" adighi nime Akwukwo Iwu ahu ma onye obula maara na o di n'Akuku-iwu nke iriabuo na asaa, nke kwuru na onu mmadu ise ndi obodo no Okputorokpu N'Otu Nchekwata ga-abu ofu. N'omenala ndi Otu Nchekwata, ihe a tapiri "onu ibunotu" bu onye otu Okputorokpu ikwado ihe e kwuru site n'itunye akwukwo nkwado, atunyeghi akwukwo maobu ikwuru n'uso mgbe a na-atunye akwukwo. Yaabu, ndi otu okputorokpu obodo ise nime Otu Nchekwata bu ha nwere ike mgbochi kpam kpam.

## 9 Kedu otutu Isiokwu ndi metutara otutu uzo a ga-eso were fu na e nwere udo?

Isi nke Isii kwuru maka isoro uzo udo were dozi okwu, nke otutu uzo a ga-eso di nime ya bu ikpa udo, idoziokwu, ichoudo ma uzo ikpe. Otu a nwere ike igwa obodogasi ka ha kparitaa uka iji wee nwee nkwekorita maobu gwa ha ihe ha ga-ekwekorita na ya wee nwee udo. Otutu uzo ozo a na-esokebe bu Otu ahu iroputa ndi nchoputa maobu ndi nnyocha, maobu igwa Odeakwukwo Oha ka o were "ugwu" ya leba anya n'okwu.

Isi nke Asaa luturu aka n'ihe gbasara iji aka ike fu na e nwere udo ma uzo ndi ozo. Otutu ihe di n'usoro ndia bu otutu ihe a ga-eme ma o buru na icho okwu a gaba n'ihu, ma o buru na egwu adi maobu ogbaaghara di biakwasi o buru na ndi okwu gbasara ekweghi eme ihe etu Otu Nchekwata siri kwu ka e mee. Otu ahu nwere ike isoro uzo ozo kpaa ike site n'imabido ibunye ngwaagha maobu imachido mmeko n'uzo aku na uba, ikpoku Obodogasi ka ha kwusi ha na ndi ahu imekorita, maobu ibuso maobu ikwado ibuso agha. Nime onwa asato n'afo 1995, a mabidoro ibunye ngwaagha ma inwe mmekorita, ma enweghi mmekorita n'uzo aku na uba n'uzo ntakiri maobu kpam kpam megide Obodo asaa maobu ndiotu di nime ofu obodo--Angola, Iraq, Liberia, Somalia, ma Yugoslavia; n'onwa asato n'afo 1995, Otu Nchekwata ropuru goomenti Rwanda na mmabido ibunye ngwaagha nke e mere n'afo 1994 ma a mabidoriri ibunye ndiotu abughi ndi goomenti ngwaagha na Rwanda.

Nime otutu ihe omumaatu megara n'oge na-adighi anya, Otu Nchekwata ahu kwuru ka e mee otutu ihe a kapibeghi onu kwuo nime Akwukwo Iwu ahu mana ha dabara n'otutu ihe e nwere ike iji aka ike me were fu na ihe na-aga etu a choro. Iji ma atu, n'onwa ano n'afo 1991 Otu Nchekwata malitere Otu Ileruanya nke Otu Jikotara Uwa ga-eleru anya n'oke ala Iraq ma Kuwait ebe e kwuru na-agaghi alu agha. Ka nkea gasiri, n'onwa ise n'afo 1993, Otu Nchekwata ahu kwusiri ike na ihe Otu a e zuuru oru kwuru banyere oke nke Iraq ma Kuwait bu ya bu isi mmechi okwu biakwasi

kwuo na o dighi onye ga-agafe oke ahu. Nkeozo, Otu Nchekwata kwuru n'onwa nke ise n'afo 1993 ka e nwee Uloikpe nke Uwa ga-ekpe ndi niile mebiri iwu megide imere ndi no n'afufu ebere nime obodo a na-akpobu Yugoslavia, biakwasi nwee udi uloikpe ahu na Rwanda n'onwa nke iri na ofu n'afo 1994. Ihe niile a e kwuru bu etu iwu siri kwu n'Isi nke Asaa n'Akwukwo Iwu ahu.

O dikwuazi mkpa i buru n'uche na Akuku-iwu Iriise na ofu nke Akwukwo Iwu ahu kwuru na e buso Onye-Otu agha, obodo ahu nwere ike ijikere n'onwe ya maobu jikoo aka ya na ndiozo maka izo onwe ya, gaanye mgbe Otu Nchekwata nwere ike mee ihe udo ga-eji dikwa.

## 10 Kedu ihe digasi nime Akwukwo Iwu gbasara ifu na e nwere udo emezubeghi?

Ihe a gbadoro ukwu were nwe Akwukwo Iwu ahu bu na uwa niile jikotara aka were na-echedo obodo niile, n'ihi ya obodo obula choro ibe ya okwu bu uwa dum ka o choje okwu. N'ihi nkea, nsogbu obula n'ebe obula bu ihe egwu n'ebe niile. E chere na egwu ga-atu obodo obula n'ibute ogbaaghara ma o buru na uwa niile ebuso ya agha.

Obodogasi ga-ekponye Otu Nchekwata ndiagha, enyemaka ma ututu ngwaoru maka iji fu na e nwere udo ma nchekwata n'uwa. Ndiagha ndia "no na njikere mgbe obula a choro ha" na-ano n'okpuru Komitii Ndumodu Ndiagha nke ndi di nime ya bu ndinnochiteanya nke obodo ise ndi no okputorokpu n'Otu Nchekwata. Oru yabu Komitti bu inye Otu Nchekwata ndumodu ma inyere ha aka n'ihe gbasara otutu ihe a choro maka ndiagha maka inwe udo ma nchekwa n'uwa, ike oru ma ichi ndiagha e kponyere ya, iti iwu maka inwe ngwaagha ma ihe gbasara itijisi ngwaagha. N'agbanyeghi nkea, n'ihi isonpi nke ndi obodo ukwu malitere ozigbo mgbe e bidosiri Otu Jikotara Uwa, e mezighi ihe e kwuru na a ga-eme; bido n'Akuku-iwu iriano na ato ruo n'iriano na asaa ebidobeghi ruba oru.

## 11 O lee Isiokwu nke gbasara ifu na udo di ebe a na-anu agha?

A kpatughi aka nime Akwukwo Iwu ahu n'ihe gbasara ifu na e nwere udo n'ebe a na-anu agha. Uzo Otu Jikotara Uwa dotere maka ifu na udo di ebe a na-anu agha, igboogu bu ikporo otutu ndiagha si obodo di iche iche no n'okpuru ochiagha nke Otu Jikotara Uwa, rapu ha n'oke obodo na ibe ya na-anu ogu ka e were fu na udo di bia werezie nwayoo n'acho uzo a ga-esi so uzo ndorondoro ochichi obodo dozi okwu. Ehi Otu nke Jikotara Uwa jiribido, igboogu na-abukebe obere okwu. Ndiobodo di nime Otu Jikotara Uwa na-ekpota ndiagha na-ano n'okpuru Odeakwukwo Oha. Ndi niile okwu na-esere nabatara ndiagha ahu, ndi a na-ezukariri oru ifu na-akwusiri igbarita egbe site ikwekorita etu ahu maobu imezu ihe a kwekoritara.

Taata igboogu aburula ihe tufiri atufi, site na otutu ihe mgbanwo ma n'ume ma n'udi e nwere n'esemokwugasi dinu. Ogbaaghara kara di nime obodogasi karia nke ndi n'etiti obodo na ibe ha. N'otutu oru a ruru n'oge n'adighi anya, e zigago ndiogbo ogu n'otutu ebe e nweghi nkwekoritagasi; ebe ekwesighi sie ike ka Otu Jikotara Uwa bata; biakwasi ebe Goomentigasi adighi maobu enweghi ike ichikwata obodo. N'oge ohuru a, igboogu abughi nani ikwusi ndi na-anu ogu. Oru a na-aru di otutu, ma ifu na a na-eme ihe e kwekoritara, inapu ngwaaghagasi, ilebanya n'itunye akwukwo maka ochichi, ikwalite inwe nsopuru n'otutu ike uwa kwuru ka mmadu nwee, inapu ndi na-anu ogu ngwagha, inyocha ma izu ndi uweojii; ichedo ndi enweghi ndi ga-echodo ha ma ifu na ndi oruebere na-aru oru n'enweghi mmekpa ahu. N'ozi etu ihe siri ga nke Odeakwukwo Oha Kwadobere n'afo 1992 a kporo "Otutu Ihe A Ga-eme Maka Udo", Odeakwukwo Oha tuputara otutu atumatu maka ihe a ga-eme ka e were fu na ngwaoru na umeoru nke Otu Jikotara Uwa bawanyere, tumadi otutu ihe gbasara ego ma otutu iheomume di nime oru ya a na-agbanwo agbanwo. Iji ma atu, o kpokuru ka e nwee Ego Njikere Maka Igboogu, a ga-eji akwu ugwo imalite oru mgbe oru igboogu daputara Ogbako Oha malitere maka inwe ego a n'onwa nke iri na abuo n'afo 1992, ego ole e

bu n'isi a ga-eji malite bu nde nari na okara, ma o rubeghi ego ole ahu a choro. A gbakwuru otutu Goomenti ume itunye ihe n'uzo ozo, site n'isi ka ha kwuo ugwo ndiagha a zigara maobu nye enyemaka nkwado. Izu ndi ogboogu ma ndiagha ma ndinkiti bu ihe a ga-etinye anya karia ihe ndi ozo. Njikere ma ihe gbasara ichiagha ma ihu na ihe na-aga nkeoma kwesiri ime ka ha buwanye.

Nime "Ihe A Ga-eme Maka Udo", Odeakwukwo Oha tuputakwasiri atumatu ka e nwee obere ndiagha si obodo di iche iche nke e nwere ike ikpoku site n'ike nke Otu Nchekwata ma o buru na e nwee ihe mberede. Otu Nchekwata etibeghi ihe a Odeakwukwo Oha zoputara ofo n'ihe gbasara inwe ndiagha ga-amalite oru na mberede.

Ihe ozo e kwuru nime "Ihe A Ga-eme Maka Udo", maka inwe otutu ihe njikere maka igboogu, ka a na-eme. Dika etu ihe siri kwuru n'onwa asato n'afo 1995, obodo iriano na asaa Ndiotu nke Otu Jikotara Uwa kwenyere inye otutu ihe ma o daa mberede biakwasi, a gbado ukwu n'ihe nkwagasi e kwere, a ga-enwe ndiagha onuogugu ha ga-eru puku iriisii na ise. Usoro inwe otutu ihe njkere ma e nwee mberede nwere ike inyere Otu Jikotara Uwa aka inwe ike iziga ndioru ma e nwee ihe mberede n'ihe gbasara igboogu ma nke ohuru ma nke ochie, ma biakwasi nye Ndiotu ohere ikwenye n'iso ru oru dika etu ihe siri kwuru n'udi n'udi. Nime "Ihe A Gbakwiiri N'Ihe A Ga-eme Maka Udo", e weputara n'onwa izizi n'afo 1995, Odeakwukwo Oha luturu aka n'ekwu na nsogbu e nwere bu nime obodogasi ka ha di; ndi na-anu ogu bu ndiagha ma ndiagha-mberede, ndi abughi ndiagha bu ha na-ata afufu biakwasi a na-emebisi otutu ihe obodo nwekoro onu. Otutu "udi nsogbu ohuru" a na-achoba otutu oru enyemaka ebere nke mberede nke ndioochichi a naghi enwe ike ifu maka ha. Odeakwukwo Oha kwuru na o bu eziokwu na otutu ihe di nime "Ihe A Ga-eme Maka Udo" aburula ezeamama, otutu ihe a ga-eji egboogu bu ihe a ga na-etinyeriri anya maka ime ha ka ha na-ediwanye mma. Ihentukwasi wesitara otutu akuku Obodogasi bu Ndiotu Otu Jikokara Uwa ga-eleba anya kapiba onu ihe bu ihe ha choro ime. Ofodu ihe di nime ihe ndia bu ihe gbasara ego, ikapiba ihe gbasara oru igboogu onu, ma otutu oru a ruru site n'enyemaka otu ebo di iche iche.

## 12 Kedu ihe Akwukwo Iwu Kwuru maka otutu ihe njikere maka otutu akuku uwa?

Isi Nke Asato nime Akwukwo Iwu ahu bu ihe gbasara otutu ihe njikere maka otutu akuku uwa maobu otutu otuoru maka akuku uwa ka o kwuru. Obodogasi bu Ndiotu Otu Jikotara Uwa ga-agba mbo isi n'aka otutu otuoru di n'ebo maobu akuku uwa ha were dozi otutu okwu tupu ha ebugara Otu Nchekwata okwu ahu. Otutu otuoru n'ebogasi n'akuku uwagasi nwere ike ifu n'enwere udo site n'ike Otu Nchekwata nyere ha.

Akwukwo Iwu akapibeghi onu ihe otuorugasi di n'ebo n'ebo n'uwa ga-abu, ma o buru raa na otuorugasi ahu ma ihe ha na-eme dabara n'ihe Otu Jikotara Uwa bu n'isi, a ga-esite na nkea nye otu otutu Obodo ohere itinye anya n'uzo kwesiri ekwesi n'ebo ma sikwa na ya nye aka n'inwe udo n'uwa. Dika etu e siri rutu aka "n'Ihe A Ga-eme Maka Udo," otutu otu ahu ga-abu ndi ga-esonye n'udi otu e nwere site na inwe nkwekorita, n'agbanyeghi na e nwere ha tupu amalite Otu Jikotara Uwa ma e nweghi, n'agbanyeghi ma ha bu maka nchekwata ma izo onwe ha maobu maka mmepe ebo maobu inyeritaaka.

Otutu otuoru e nwere n'ebogasi na Otu Jikotara Uwa amalitela ijiko aka were aru oru n'otutu uzo a na-afu ife ha. Ndi di nime ha ma ndi ozo, bu Otu Maka Africa Idinotu n'ihe gbasara etu ihe siri kwuru n'Odidaanyanwu Sahara ma Liberia maobu "North Atlantic Treaty Organization" na ha na Ndiagha Ndi chedo nke Otu Jikotara Uwa ijikoa aka iji fu na e mezuru ihe e kwuru na ugboelu agaghi efefe n'ebe amabidoro ma amabaghi n'otutu ebe e kwuru na a ma abanye na ha bu ebe egwu adighi na Bosnia.

## 13 O lee ihe Akwukwo Iwu Kwuru maka inwe agamnihu n'uzo aku na uba na mmepe obodo?

Isi nke Iteolu na nke Iri nke Akwukwo Iwu ahu kwuru na Otu Jikotara Uwa ga-akwalite inwe ndu uto karia etu o di na mbu, mee ka e nwee uzogasi a ga-eso were mezi nsogbugasi e nwere n'uzo aku na uba na mmepe ma otutu ike iwu kwuru ka mmadu nwee. Mbanaga o bu oru ya ifu na e mezuru ihe ndia bu Otu Aku Na Uba na Mmekorita.

Otu Aku Na Uba Na Mmekorita nwere ike mee maobu malite ileba anya na ide akwukwo maka etu ihe siri ga n'ihe metutara uwa niile n'ihe gbasara aku na uba, iganihu n'obodo, omenala, mmuta, ahuike na ihe metutara ha biakwasi nwee ike ituputa atumatu n'ihe gbasara udi ihe ahu wegara Ogbako Oha. O nwere ike ituputa atumatu maka ikwalite inwe nsopuru maka otutu ike iwu nyere mmadu obula biakwasi o nwere ike deputa ihe nkwekorita nke obodo na ibe ha zigara Ogbako Oha. O nwere ike ikpo ogbako nke uwa niile si na ya kpokoba Goomentigasi ma ndi mmadu maka oke ihe di mkpa daputara n'uwa.

Otu Aku Na Uba Na Mmekorita nwere ike ikpokoba ma ichukwa otutu oru nke di n'okpuru Otu Jikotara Uwa, nke ihe digasi nime ha bu otutu ihe a ga-eme eme nke Ogbako Oha weputara, dika Otu Maka Ego A Ga-eji Ahu Maka Umuntakiri (UNICEF), ma Ulooru nke Otu Jikotara Uwa maka Ndi Na-agba Osondu ma otugasi puwagara iche, dika Otu Uwa maka Ahuike maobu Otu Uwa maka Ndioru. Otugasi puwagara iche bu otugasi kwuuru onwe ha nwere nkwadobegasi nke ha maka inweta ego ma iri ego, isi uloorugasi, ma Obogasi Ndiotu ha; Otu Aku Na Uba Na Mmekorita nwere ike inwe nkwekoritagasi nke ga-adi n'etiti ha na ha, si n'uzo ahu mee ka ndi ahu na Otu Jikotara Uwa nwee mmekorita. Taata e nwere ihe kariri uzooru iriato ma otugasi puwagara iche ndi o bu ha bu "ihe di n'okpuru" Otu Jikotara Uwa biakwasi o no ka ha dum na-aru oru niile gbasara mmadu n'uwa ma mmepe, bido na ndi n'agba osondu ruo na izuahia ma ihe gbasara ife n'elu.

N'onwa nke ise n'afo 1994, Odeakwukwo Oha weputara akwukwo ozi etu ihe siri ga, a kporo 'Ihe A Ga-eme Maka Agamnihu', n'arutu aka n'asi na a ga-esi otutu uzo were na-acho agamnihu biakwasi n'udi ihe ahu choro udo, uzo aku na uba, gburugburu uwa, uzo enweghi mmegbu ma uzo ochichi ohaneze. Uzo ihe abuo a chokwuru bu olu nke obodogasi Ndiotu ma atumatugasi nke si n'aka Odeakwukwo Oha bia gbasara ihe Ndiotu kwuru. Odeakwukwo Oha kwuru hoo haa na agamnihu bu yabu oru kasi mkpa chere Uwa n'ihu, "mana egwu di na anyi nwere ike n'ahu nani maka igboogu" n'elotaghi na nnukwu oru dika agamnihu nooro n'eche anyi.

## 14 O lee ihe Akwukwo Iwu furu maka obodogasi e achiwabeghi onwe ha?

Bido N'isi nke Iri na ofu ruo nke Iri na ato kwuru maka otutu ihe gbasara obodogasi ebe ndi mmadu achiwabeghi onwe kpam kpam. Isi Nke Iri na ofu bu Ihe Dum E Kwuru n'ihe gbasara Obodogasi Achiwabeghi Onwe Ha, nke n'ekwusi ike ka ndi bi n'Obodogasi Achiwabeghi Onwe Ha chiwa onwe ha, biakwasi n'ekwu otu ihe ahu maka agamnihu ha n'ihe gbasara ndoro ndoro ochichi, mmuta ma mmekorita.

Obodogasi bu Ndiotu Otu Jikotara Uwa maara nkeoma na otutu ihe gbasara ndi bi n'ala ndi a enwerebeghi onwe kasi mkpa biakwasi kweta na o bu "ihe ntukwasiobu di nso" bu "oru ikwalite n'uzo abula uzo" maka odinma nke ndi ala ahu. Akuku-iwu nke Iri asaa na ato nke Akwukwo Iwu kwuru na obodo niile n'achi obodogasi achiwabeghi onwe ha ga-ekwe nkwa biakwasi kwetakwasi izigara Odeakwukwo Oha ozi etu ihe siri kwuru n'ihe gbasara aku na uba, mmepe ma mmuta n'obodogasi ha na-achi. N'Isi nke Iri na ato nke Akwukwo Iwu ka e kewaputara Otu Nchukwa ga-afu maka uzo nchukwa nke Otu Jikotara Uwa ga-esi were afu maka ochichi nke obogasi a na-echukwa echukwa. Obodogasi a na-echukwa echukwa bu obodogasi Achikwabeghi Onwe Ha ndi ejighi mmanye were tinye n'okwu ichukwa ichukwa site na nkwekoritagasi e nwere n'otu n'otu nke di n'etiti Otu Jikotara Uwa ma ndi ahu n'aru oru ichukwa ala ndi ozo. Otu Nchukwa a kwusila kpam kpam iru oru mgbe ha rusiri oru ihe foro nwantakiri ka o buru afo iriise nke Ala E Chukwaru Echukwa ikpeazu---ala Palau mmiri gara gburugburu---nke ndi Amerika n'achibu---chiwara onwe ha n'onwa nke iri n'afo 1994.

N'afo 1960, Ogbako Oha nabatara Ihe Ekwuru gbasara Inye Obodogasi ma Ndi Mmadu Na-achi Achi Ike Inwere Onwe Ha iji were mee ka ikwusi ichi ala onye ozo gawa osiiso mgbe o bu na uzo nchukwa bu nani obodo irina ofu ka e meziri ka ha noro n'udi okwa ahu, biakwasi e nwekwara otuju obodo a na-achi achi n'uwa. E weputara Kamitii puru iche Maka Ikwusi obodo ozo ichi obodo ozo ka ha fu na e mere ihe e kwuru. Site otutu mbo Otu Jikotara Uwa gbara n'ikwusi obodo ozo ichi obodo ozo ihe kariri obodo iri asaa onuogugu ndi mmadu no na ha kariri nde nari na okara nweere onwe ha biakwasi banye n'Otu Jikotara Uwa.

## 15 O lee ihe Akwukwo Iwu Kwuru maka NdiOdeakwukwo?

Akwukwo Iwu meputara NdiOdeakwukwo dika ofu nime mbanaga di oke mkpa n'otu Jikotara Uwa (lee anya n'ajuju nke ise gafere agafe). Akuku-iwu nke iriiteolu na asaa kwuru na NdiOdeakwukwo ga-abu Odeakwukwo Oha ma **ndioru ndi** ozo Otu ga-acho. Akuku-iwu nke nari kwuru na o dighi Goomentii obula ga-ezuru ndioru ahu oru. O dighi Obodogasi di n'otu ga-anwa itinye aka n'ihe gbasara etu ndioru si aru oru ha. O dighi ihe e kwuru etu NdiOdeakwukwo ga-esi ke oru NdiOdeakwukwo bu ndi na-aru n'obodo di iche iche, maobu ndindumodu n'aru oru n'okpuru Odeakwukwo Oha ma maka odinma nke Ndiotu Otu Jikotara Uwa. Ndi na-aru oru nime ulooru Ndiodeakwukwo nke Otu Jikotara Uwa n'uwa niile ruru ihe dika mmadu puku iri abuo na iteolu. Otugasi puru iche nwere ndioru ha, were mee ka ndi na-aruru Otu Jikotara Uwa oru ruo ihe kariri puku iriise.

## 16 Kedu Akuku-iwugasi nke Akwukwo Iwu Kwuru ife bu oru Odeakwukwo Oha?

Akuku-iwu nke Iriiteolu na asaa kwuru na Odeakwukwo Oha bu ya bu onyeisi oru nke Out Jikotara Uwa.

Akuku-iwu nke Iriiteolu na asato kwuru na Odeakwukwo Oha ga na-ezite ozi kwa afo etu ihe siri ga n'Otu Jikotara Uwa. Ihea o na-eme kwa afo na-enye Odeakwukwo Oha ohere iji were rutu aka n'otutu ihe di mkpa chere Otu Jikotara Uwa ni'hu biakwasi na-enyere Otu ahu aka nkeozo n'enyere Otu a aka ikewaputa oru digasi mkpa. Akuku-iwu nke Iriiteolu na iteolu nyere Odeakwukwo Oha ike ime ka Otu Nchekwata mara ihe obula nke o chere nwere ike inye nsogbu n'uwa maobu metuta nchedo uwa. Iji ma atu, mgbe nsogbu malitere na Congo n'afo 1960, Odeakwukwo Oha aha ya bu Dag Hammarskjold mere ka Otu Nchekwata mara, site n'iji ike ya sitere n'akuku-iwu nke Iriiteolu na iteolu, nke ahu bu izizi o jiri ike ahu ru oru. Odeakwukwo Oha aha ya bu Javier Penez de Cuellar jikwara Akuku-iwu nke Iriiteolu na iteolu ru oru n'ihe gbasara ihe n'eme n'obodo Lebanon.

## 17 Kedu ihe Akwukwo Iwu Kwuru etu a ga-esi a kwadobe etu Otu Jikotara Uwa ga-esi enweta ego ma etu a ga-esi eji ego aru oru?

Dika etu Akuku-iwu nke iri na asaa nke Akwukwo Iwu siri kwu, o bu oru Ogbako Oha itenye anya na iti ofo n'ihe nkwadobe e nwere maka uzo a ga-esi nweta ego ma uzo a ga-esi ri ya. Ogbako Oha na-ekere Ndiotu Otu Jikotara Uwa utu n'ihe gbasara ego niile Otu Jikotara Uwa jiri ru oru.

Komittii n'afu maka Utu, mbanaga nke Ogbako Oha, ka e nyere ike ike izoputa etu a ga-esi ke utu ka ume obodo obula ha. A na-ekere Ndiotu utu dika etu ume ndi ha, nke ihe a na-agbado ukwu bu ego ole obodo na-akpata n'afo ma onuogugu ndi bi n'obodo ahu. Dika etu Ogbako Oha siri kwekorita n'afo 1972, o dighi obodo obula ga-akwu ihe kariri ofu ebo n'ebo ano biakwasi o dighi obodo ga-akwu ihe penarili ofu akuku nime ofu nari.

## 18 O buru na obodogasi aju na ha agaghi ege nti n'ihe Akwukwo Iwu dotere, kedu ihe a ga-eme?

Oburu na obodogasi aju na ha agaghi ege nti n'otutu ihe Akwukwo Iwu kwuru, maobu otutu ihe mbanagasi di mkpa nke Otu Jikotara Uwa kwuru ka emee, Otu ahu nwere ike ime otutu ihe, ma a ga-agbanye udi mmehie e nwere.

Obogasi ji ugwo sitere na nkwadobe uzo e si enwe ego nke Otu Jikotara Uwa agaghi enwe ike itunye akwukwo na nzuko nke Ogbako Oha mgbe ugwo ndi ahu ji ha ka utu afo abuo. N'agbanyeghi nkea, o buru na Ogbako Oha achoputa na Onye Otu ahu ji ugwo n'ihi ihe kariri obodo ahu akuku (iji ma atu, okechi mberede), o nwere ike kwe ka Onye Otu ahu tunye akwukwo. Etu o sina di, e sobeghi usoroa ru oru mgbe ndum.

Mgbe obodogasi butere ogbaaghara maobu choo okwu maobu ju na o gaghi eme ihe Otu Nchekwata kwuru gbasara ibute ogbaaghara, e nwere ike imegide obodogasi ahu dika etu e siri kwu n'Isi nke Asaa nke Akwukwo Iwu (lee anya n'ajuju nke iteolu).

Mgbe obodogasi mebiri otutu ike iwu siri ka mmadu nwee Otu Nnyocha Maka Otutu Ike Iwu Kwuru Ka Mmadu Nwee, otu n'aru oru nime Otu Aku Na Uba Na Mmepe, nwere ike itinye onu n'etu ihe siri kwuru n'obodo n'ihe gbasara imebi otutu ike iwu kwuru ka mmadu nwee. Komitii nke Otutu Ike Iwu Kwuru Ka Mmadu Nwee - nke e kewaputara ka o na-afu maka imezu ihe e kwuru na nkwekorita nke uwa maka otutu ike iwu kwuru ka mmadu nwee, Igbandu nke Uwa nke e mere n'afo 1966 n'ihe gbasara Otutu Ike Ndi mmadu ma Ike gbasara Ndoro Ndoro Ochichi--- nwere ike iju Ndi Otu obodogasi n'ihe gbasara imezu ihe iwu kwuru. N'afo 1993 Otu Nchekwata dotere Otu Ikpe Uwa ga-enyocha otutu arurumala sitere n'agha nime obodo a na-akpobu Yugoslavia (lee anya n'ajuju nke iteolu).

N'agbanyeghi ihe ndi mmadu n'eche, mbanaga nke Otu Jikotara Uwa enweghi ike ikpuru obodogasi gawa n'Uloikpe nke Uwa Niile n'ihi na obodogasi ahu mebiri otutu ihe e kwuru n'Akwukwo Iwu. E nwere ike ibugara Uloikpe Nke Uwa Niile otutu okwu n'esere obodo na ibe ya, nkeozo mbanagasi ma otutu otu puwaragasiri iche nke Otu Jikotara Uwa nwere ike inweta ndumodu si n'aka Uloikpe Nke Uwa Niile. Uloikpe ahu bu ndi okaikpe iri na ise na-ano na ya, onye obula nime ya na-aru oru afo iteolu.

Ndi ochichi ikwadosi ike ma ntukwasiaobi bu ihe a choro ka ihe were na-aga nkeoma na yabu Otu. Akuku-iwu nke Ise nke Akwukwo Iwu kwuru na a ga-akwudube onyeotu nke Otu Nchekwata megidere ihe a ga-eji kwusi obodo ahu imebi ihe. Mmapu nabukari ihe ikpeazu biakwasi a na-egbochi otutu uzo a ga-eso were toghachi obodo a naghi anu ihe. Obodogasi idi na yabu Otu n'egosi na ha kwenyere na ha bu ndiotu umu uwa biakwasi ha ga-aza aziza maka omume ha nkeozo ha ga na-aru oru diiri ha.

## 19 Obodo o nwere ike ipu maobu e nwere ike imapu obodo n'otu Jikotara Uwa dika etu e siri kwu n'Akwukwo Iwu?

Dika etu o di n'Akuku-iwu Isii, Onyeotu Otu Jikotara Uwa Kachiri nti na-emebi usoro eji achi nke di n'Akwukwo Iwu, Ogbako Oha nwere ike chuo ya ma o buru na Otu Nchekwata tuputa udi atumatu a.

Ruo taa, o dibeghi Onyeotu a chuorola. N'agbanyeghi nkea, o nweela obodogasi egbochiiri isonye n'oru nke Ogbako Oha, dika South Africa bido n'afo 1974 ruo 1994 ma Federal Republic of Yugoslavia (Serbia na Montegro) eri afo 1992. Ogbako Oha nwere ike kwugharia ihe ndia e kwuru mgbe o masiri ha.

O dighi e be e kwuru n'Akwukwo Iwu na obodo nwere ike ipu n'Otu Jikotara Uwa. Indonesia hapuru Otu Jikotara Uwa n'afo 1965 loghachi n'afo n'eso ya.

## 20 E nwere ike imezi ihe di n'Akwukwo Iwu ahu biakwasi e meela udi ihe ahu?

E nwere ike imezi ihe di nime Akwukwo Iwu ahu dika etu e siri kwu n'Akukuiwu Nari na Asato. Ebo abuo nime ebo ato nke Ndiotu Ogbako Oha gaakwadoriri ya. Ebo abuo nime ebo ato Ndiotu, ma ndi no okputorokpu n'Otu Nchekwata, ga-esozi otutu usoro kwesirinu na nzuko ha were tie ofo na mmezi ahu dika akwukwo iwu ha siri kwu.

E mezigo Akwukwo Iwu ahu ugbo ato, iji were bawanye onuogugu ndiotu Otu Nchekwata (n'afo 1965) ma Otu Aku Na Uba na Mmepe (n'afo 1968, ma 1973).

## 21 Kedu mbogasi a na-agba ka e leba anya n'otutu ihe e dotere n'Akwukwo Iwu? O nwere ihe a na-ekwu maka igbanwo ihe gbasara ndi ga-abu ndiotu ma ihe gbasara etu e si atunye akwukwo n'otu Nchekwata?

Obodogasi bu Ndiotu na-etinye onu n'ihe gbasara immata na Akwukwo Iwu na o dabazikworo n'anya ya n'uwa gbanwogoro agbanwo nke ukwu eri e jiri malite Otu Jikotara Uwa. Eri otutu afo, obere otu no n'okpuru Ogbako Oha a na-akpo Komitii Puru Iche n'ihe gbasa Akwukwo Iwu nke Otu Jikotara Uwa ma maka Ime Ka Oru Otu Jikotara Uwa siwanye ike ka e zuuru otutu oru inyocha otutu ihe e kwuru nime Akwukwo Iwu ahu.

N'afo 1992, Ogbako Oha malitere ileba anya n'ihe gbasara onodu obodogasi di nime Otu Nchekwata. O kwetara na ihe agbanwoola n'uwa biakwasi mara na onuogugu nke ndiotu Otu ahu abawanyela. Ogbako Oha gwara obodogasi bu Ndiotu ka ha mee ka Odeakwukwo Oha mata ihe bu uche ha n'ihe gbasara akuku Akwukwo Iwu nke metutara ibawanye na iso uzo kwu oto n'inochite anya obodo (na gburugburu uwa) n'Otu Nchekwata. Obodogasi bu Ndiotu na-ekwu ka a bawanye onuogugu ndiotu ndi ga-ano okputorokpu ma ndi ga-ano afo onemone nime Otu

Nchekwata, ma ha nwere ike itunye akwukwo mgbochi ma ha enweghi, nkea puta ka e tinyekwuo obodo ndiozo karia nani obodo ise, ndi o bu ha nani nwere ike itunye akwukwo mgbochi. Ha chokwara ka e leba anya n'akuku ndi ozo n'ihe gbasara imezi Otu Nchekwata, dika usoro ntunye akwukwo, igba usoro esi ime ihe n'Otu Nchekwata n'anwu, usoro mmekorita di n'etiti tumadi Ogbako Oha ma mbanaga ndi ozo na Otu Nchekwata. N'afo 1993, Ogbako Oha weputara ofu otu ndioru ka ha leba anya n'ihe gbasara enweghi mmegbu na inwe ndi nnochite anya nime ma ibawanye ndiotu Otu Nchekwata.

## 22 Akwukwo Iwu ahu o ka brirri uru n'otutu afo niile a?

A na-ekwu otutu oge na e dere Akwukwo Iwu ahu iji fu maka ihe daputara n'ihe Agha Uwa Nke Abuo biakwasi, na o dabazighi n'anyaya n'etu ihe siri kwuru n'uwa ma udi nsogbu a na-enwe n'isi njedebe afo puku abuo. N'agbanyeghi nkea, obodogasi bu Ndiotu na-ekwube na Akwukwo Iwu bu nkwekorita igbandu nke kwesiri biakwasi buru nke e nwere ike itapi n'etu ihe siri kwuru biakwasi nye ohere maka ifu maka otutu ihe mberede. N'ezie, otutu mmezi daputara n'oge gara aga nkeozo e nwere ike inwe otutu mmezi n'odinihu. Akwukwo Iwu ahu anoola afo iriise biakwasi, site na Ndiotu ime ihe kwesiri ekwesi n'oge, e nwere ike iji Akwukwo Iwu ahu na-aruriri oru a choro iji ya aru. Akwukwo Iwu ahu bu ihe omumaatu o bughi ihe e sere ese nke ukwu. O bu n'iji ya eme ihe n'etu ihe siri kwuru ma uzo o huru maka odinihu ka otutu ike ya di.

**Akwukwo Ndi Ozo E Nwere Ike Igu**

Akwukwo Iwu Nke Out Jikotara Uwa (Ihe o rure)

- Ihe A Ga-eme Maka Udo ma ihe ntukwasia (Ihe o rure)
- Otu Jikotara Uwa N'ichafu
- Onyinyogasi ma Eziokwu
- Otu Ihemmuta maka Otu Jikotara Uwa (Ihe o rure)

I chokwa inwe ozi mee ka ndia mara Mbanaga Otu Jikotara Uwa maka Mgbasa Ozi di gi nso, maobu

**Public Inquiries Unit**
**Room GA-57**
**United Nations**
**New York, NY10017**

Maka otutu ihe orure mee ka ndia mara:

**United Nations Publications**
**Room DC2-853**
**New York, NY 10017**

**United Nations Publications**
**Sales Office and Bookshop**
**CH-1211 Geneva 10, Switzerland**

Published by the United Nations Information Centre
17, Kingsway Road, Ikoyi, Lagos, Nigeria.
DPI/1738-13403-November 2000